**UKA NKE IRI NA ASATO N'OGE NA-ADANYEHI N'EMUME AFO NKE- Afo Nke Ato**
**18th Sunday of Ordinary time, Year C. July 31st, 2022.**

**IHE OGUGU NKE MBU: Ihe ogugu e wetara n'Akwukwo Ekleziastes (1:2;2:21-23)**

Ihe nile bu ihe efu, Onye nkwusa kwuru si: ihe nile gbasara ndu enweghi isi, ha abaghi uro, ha bu nnoo ihe efu. O bu ezie na m ji amamihe m na nghota m na mmuta m rusie oru ike ruputa ihe, ihe ndi a nile ka m ga-ahapuru onye ozo, onye na-arughi oru o bula na ndu ya; uru mgbali m nile ka o ga-eketa, na-akwughi ugwo o bula. Ihe ndi a abughi nani nzuzu, kama ha bu ihe na-ekwesighi ekwesi. Bia di, gini bu uru mmadu na-enweta na ndogbu nile o na-adogbu onwe ya n'oru? Ubochi ya nile bu nani ihe mgbu na iru iju, izuike adikwaraghi ya. Abali nile, o na-ano n'isu ude. Ihe ndi a juru m anya, ha bukwa ihe efu. ***Okwu nke Oseburuwa-Ekele diri Chukwu***.

**ABUOMA NA AZIZA YA- 94/95**

**Aziza: Taa unu nuru olu Ya, unu emekwala obi unu ka o kpoo nku**

1. Bianu ka anyi tiere Dinwenu mkpu onu; K'anyi nuria na Chineke Onye Nzoputa anyi. Ka anyi bia n'ihu Ya nye Ya ekele; Ka anyi were ukwe too ya. Aziza.
2. Bianu ka anyi sekpuoro Ya biakwa kporo Ya isi ala. Ka anyi sekpuru ala n'ihu Onyenweanyi, onye kere anyi. N'ihi na o bu Chineke anyi. Anyi bukwa ndi O na-azu ka aturu biakwa buru igwe aturu O na-eduzi uzo. Aziza.
3. Ewoo! Ma o buru na unu anu olu Ya taa; Unu agbachikwala obi unu dika na Meriba; dika n'ubochi ahu na Masa n'ime ozara, ebe nna nna unu ha noro leghaa M. Eleghara ha M, ma o bu ezi okwu na ha ahula oru M. Aziza.

**IHE OGUGU NKE ABUO- Ihe ogugu e wetara n'Akwukwo Ozi Pol di aso degaara ndi Kolosi. (3:1 – 5, 9 – 11)**

O buru na unu esorola Kristi Kulite n'onwu, chowanu ihe nke di n'eluigwe, ebe Kristi no n'aka nri Chukwu Nna. Ka echiche unu nile buru maka ihe nke eluigwe; unu echezina echiche maka ihe nke uwa a; n'ihi na unu anwuola, ndu unu di ugbu a bu ndu e zowere na Kristi n'ime Chineke. Mgbe Kristi, onye bu ndu anyi, ga-achawaputa ihe, unu onwe unu ga-eso Ya chawaputa n'ebube. Gbupianu ihe nile di n'ime unu gbara mgborogwu n'ihe uwa a: ikwa iko, njo ruru inyi, aguu ihe ruru aru, udi uto anu ahu nke ahu a ga-

agunye n'ife arusi. Kwusinu ituru ibe unu asi. Ihe e mere bu na e yipula onwe unu nke ochie na njo nile e ji mara ya; unu abiakwa yiri onwe unu nke ohuru, nke na-eto na mmuta, ebe a na-akpu ya n'oyiyi nke Onye Ahu Kere ya. Isi ya bu na e nwekwaghi ngubosi na onye a bu onye Grik ma o bu onye Juu; onye Grik ma o bu onye Juu; onye e biri ugwu ma o bu onye a na-ebighi ugwu; onye mba ozo, ma o bu onye Sintia, ma o bu ohu ma o bu onye nwe onwe ya. Kristi bu ihe nile di n'ime unu nile! ***Okwu nke Oseburuwa-Ekele diri Chukwu.***

***ALELUYA*** **(Jon 17:17)** *Aleluya, aleluya! Onyenweanyi, okwu Gi bu eziokwu. Were eziokwu Gi doo anyi nso.* ***Aleluya!***

**OZIOMA: Ihe ogugu nke a si n'Ozioma di aso nke Luk dere (12:13 – 21)**

**O**tu onye n'ime igwe mmadu ahu gwara Jesu, si: "Onye nkuzi, gwa nwanne m nwoke ka o kenye m oke ruuru m n'ihe nna anyi hapuuru anyi wee laa mmuo."Ma Jesu siri ya:  "Nwoke m, onye nyere m ike ikpebi, ma o bi ikere gi na nwanne gi nwoke aku na uba di n'obi nna gi?" Jesu wee gwa igwe mmadu ahu si: "Kpacharanu anya! Zerekwanu inwe anya ukwu n'udi o bula. N'ihi na aku na uba mmadu anaghi egbochiri mmadu onwu." Jesu wee tuoro ha ilu si: "Ala ubi otu ogaranya miri nnoo ezi mkpuru. O bia chewe n'obi ya si: "Gini ka m ga-eme, n'ihi na oba m nwere agaghi abacha ihe dum miiri m n'ala ubi m?' Ogaranya ahu wee kpebie si: "Lee ihe m ga-eme. Aga m akwatu oba m ndi nke ochie, biakwa wugharia ndi nke ka ha ibu. Ebe ahu ka m ga-ekpokota oka m na ihe oma nile m wetara n'ubi. Mgbe ahu ka m ga-asi onwe m: 'Onye uwa oma! I nweela aku na uba ga-ezuru gi otutu afo na-abia n'ihu. Kwusi idogbu onwe gi n'oru. Zuru ike. Rie nri, nuokwa ihe anunu, mee ka obi too gi uto. Nchegbu o bula adikwaghi nye gi." Ma Chineke siri ogaranya ahu: Onye iberibe! N'abali taa, ka m ga-anarakwagi ndu ahu m nyere gi. Aku na uba nile a i kpakoro onye ga-eri ya?  Otu a ka o ga-adiri onye o bula na-akpakoro onwe ya aku na uba nke uwa a, ma ghara ime onwe ya ogaranya n'ihu Chineke. ***Ozioma nke Oseburuwa-Otito diri Gi, Kristi.***

## English

**First reading: A reading from the book of the Ecclesiastes (1:2;2:21-23)**

Vanity of vanities, says Qoheleth, vanity of vanities! All things are vanity! Here is one who has labored with wisdom and knowledge and skill, and yet to another who has not labored over it, he must leave property. This also is vanity and a great misfortune. For what profit comes to man from all the toil and anxiety of heart with which he has labored under the sun? All his days sorrow and grief are his occupation; even at night his mind is not at rest. This also is vanity. ***The Word of the Lord- Thanks be to God***

**Responsorial Psalm: If today you hear his voice, harden not your hearts (Psalm 94/95)**

1. You turn man back to dust, saying, "Return, O children of men." For a thousand years in your sight are as yesterday, now that it is past, or as a watch of the night.
2. You make an end of them in their sleep; the next morning they are like the changing grass, which at dawn springs up anew, but by evening wilts and fades.
3. Teach us to number our days aright, that we may gain wisdom of heart. Return, O LORD! How long? Have pity on your servants!
4. Fill us at daybreak with your kindness that we may shout for joy and gladness all our days. And may the gracious care of the LORD our God be ours; prosper the work of our hands for us! Prosper the work of our hands!

**A reading from the letter of St. Paul to the Colossians (3:1 – 5, 9 – 11)**

Brothers and sisters: If you were raised with Christ, seek what is above, where Christ is seated at the right hand of God. Think of what of what is above, not is on earth. For you have died, and your life is hidden with Christ in God. When Christ your life appears, then you too will appear with him in glory. Put to death, then, the parts of you that are earthly: immorality, impurity, passion, evil desire, and the greed that is idolatry. Stop lying to one another, since you have taken off the old self with its practices and have put on the new self, which is being renewed, for knowledge, in the image of its creator. Here there is not Greek and Jew, circumcision and uncircumcision, barbarian, Scythian, slave, free; but Christ is all and in all.
***The word of the Lord- Thanks be to God***

**<u>Gospel: A reading from the holy Gospel according to Luke (12:13 – 21).</u>**
Someone in the crowd said to Jesus, "Teacher, tell my brother to share the inheritance with me." He replied to him, "Friend, who appointed me as your judge and arbitrator?" Then he said to the crowd, "Take care to guard against all greed, for though one may be rich, one's life does not consist of possessions." Then he told them a parable. "There was a rich man whose land produced a bountiful harvest. He asked himself, 'What shall I do, for I do not have space to store my harvest?' And he said, 'This is what I shall do: I shall tear down my barns and build larger ones. There I shall store all my grain and other goods and I shall say to myself, "Now as for you, you have so many good things stored up for many years, rest, eat, drink, be merry!"' But God said to him, 'You fool, this night your life will be demanded of you; and the things you have prepared, to whom they will belong?' Thus will it be for all who store up treasure for themselves but are not rich in what matters to God." **The Gospel of the Lord- Praise to you Lord Jesus Christ.**